# Nkàḿmā Dịn'Ejije Mmọnwụ Ijele

Nneke, Charles Azubuike PhD

E-mail: ezeazubuike004@gmail. com
ca.nneke@unizik.edu.ng
08030815650,07019496083
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
Steeti Anambara, Naịjirịa

## Ụmịedemede

Edemede nchọcha a lebara anya n'ejije mmọnwụ Ijele dị ka otu n'ime ejije ọdịnala e nwere n'ala Igbo. Mmọnwụ Ijele nwere ọnọdụ dị elu na ndụ ndị Igbo, nke naọ bụnnukwu ihe nkiri nye ọtụtụ mmadụndịna-achọụzọ ha ga-esi jee nkiri ya mgbe ọ na-agba n'ama. Mana nnukwu ihe nkiri a enwetabeghi ọnọdụ ya n'imeejije mmọnwụ dị ka otu n'ime ejije ọdịnala Igbo, n'ihi na a hazibeghi ya n'ụzọ pụrụ iche.Ebumnuche edemede a bụ ka e si na ya chetara ụmụafọ Igbo na ọ bụ 'nkụdị na mba na-eghere mba nri'. Nke a mere naa bagidere edemede nchọcha a, ka e wee si naya hazie ma zipụta etimmmọnwụ Ijele dị ka ejije ọdịnala Igbo. E mere nchọcha a n'agụmagụọdịnala ma bụrụ n'isiokwu na-ezipụta na e nwere nkamma dịn'etim mmọnwụ Ijele n'ịhazi ya dị ka ejije ọdịnala Igbo. Ụdịdị nchọcha a bụ nke si n'ihe a hụrụ n'anya na n'ajụjụ ọnụ. Atụtụ e ji tụchaa edemede nchọcha a bụ atụtụ ọdịdị nke na-ele ọrụnka anyadị ka ihe zuruoke ma maa mma n'onwe ya. Ebe ndịọzọ a chụgara nta ihe e dere n'edemede a bụ ọbaakwụkwọnantaneti.A tụchara ụsa dị iche iche e si n'ụzọ ndị a nweta, nke e si na ha chọpụta na etim mmọnwụ Ijele bụ omenala si na nkwenye na mmụọ. Ọ bụ ejije nwere ọtụtụ njirimara ejije ọdịnala nke e si na ha ezipụta ǹkàḿmā atọ bụ: ǹkàḿmā keanya, ǹkàḿmākentị na ǹkàḿmākeọnụ. Ọ bụ njirimara ejije na nkamma ndị a mere ka ejije mmọnwụ Ijele bụrụọ pụrụ iche n'ejije mmọnwụ niile e nwere n'ala Igbo. Edemede a ga-abara ọhanaeze na onye ọ bụla nwere mmasị na mmọnwụ nakwa n'ejije mmọnwụ Ijele uru.

## Ndubata

E nwere ọtụtụ ejije ọdịnala na-eme ka ndụ na-atọụtọ obibi n'ala Igbo. Ejije ọdịnala e ji eme ka usoro obibi ndụ ndị Igbo na-enye ọṅụgụnyere ejije ofufe, ejije mgba, ejije agha, ejije amara, ejije ụmụaka, ejije ndị nta na ejije mmọnwụ. Ha niile bụ ihe ndị Igbo ji eme ka ndụ na-atọụtọ. N'ejije ndịaesi n'emereeme dị iche iche agwa na-emepụta ejije a na-egosipụta wee na-eme ka ndụ na-enye obi ụtọ.

Ndị Igbo nwere etim mmọnwụdị ka emume dịọkpụna ndụ ha. Ejije mmọnwụ bụọ pụrụ iche n'ime ejije ọdịnala ndị Igbo n'ihi na o zuruoke n'ụzọdị iche iche ndị Igbo sị ezipụta ndụ. Ejije mmọnwụ pụtara ihe e nwere n'ala Igbo gụnyere Ijele, Ọmaba, Odo, Ekpe, Ajọafịa, Atụmmọnwụ, MmọnwụỌzọebunu, Eze Igboezuo, Adamma dg. E si na mmọnwụdị iche iche ndị a ezipụta ejije na-eme ka ndụ na-enye aṅụrị site n'usoro ha si ezipụta ọtụtụ njirimara ejije ọdịnala.

Mmọnwụ Ijele bụ otu n'ime mmọnwụ ndị Igbo na-eti ma na ha elebanyeghi ya anya dị ka ejije n'ụzọ pụrụ iche. Nke a mere na ejije mmọnwụ Ijele nke ọ bụ site na nṅomi ma ọ bụ njije na ntọaja ka e si ezipụta ya enwetabeghi ohere naọnọdụ kwesiri ya n'etiti ejije ọdịnala Igbo nakwa nke mba ụwa ndịọzọ, n'agbanyeghi etu ndị Igbo si akwanyere mmọnwụ Ijele ugwu ma na-asọpụrụ ya na ndụ ha. N'edemede

nchọcha a isiokwu ya bụ “Nkàḿmā dị na ejije mmọnwụ Ijele,” a nọna ya ezipụta na etimmmọnwụ Ijele bụ otu n’ime ejije mmọnwụ e nwere n’ala Igbo. Ejije mmọnwụ Ijele pụtara ihe na njije na ntọaja. Ọ na-ezipụta nkamma keanya, kentịna keọnụ. Nkamma ndị a pụtara ihe n’ụzọ pụrụ iche site n’ihe a hụrụ n’anya, ihe a nụrụ na ntị na ihe e kwuru n’ọnụ n’ụdị mkparịtaụka, egwu ma ọ bụ abụn’etimmmọnwụ Ijele. Ọ bụ nkamma ndị a si n’ihe a hụrụ n’anya, ihe e kwuru n’ọnụna ihe a nụrụ na ntị mere ka ejije mmọnwụ Ijele dị ebube n’ebe ọdị ukwuu. Ọ bụ ihe ndị a mere na ejije mmọnwụ Ijele mara mma, ma bụrụụzọ pụrụ iche a ga-esi kwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Mmekọrịta mmadụna ibe ya pụtara ihe nke ọma n’ejije mmọnwụ Ijele dị ka ihe nkiri. Ejije mmọnwụ Ijele dị ka ọrụnka a haziri ahazi n’ụzọ pụrụ iche mara mma ma bụrụkwa ihe nkiri n’onwe ya. Ejije mmọnwụ Ijele dị ka ihe nkiri pụtara ihe nke ọma n’ụzọ ihe abụọ ndị a: nke mbu, bụnaọ bụ mmọnwụ, nke abụọ bụ na dị ka ejije, ọ bụọrụnka a haziri n’ụzọ pụrụ iche. Mma ahụmmọnwụ Ijele na ebube mma ya mere na mmadụ na mmọnwụ hụrụ Ijele na-agba ya nkiri. Nkamma atọ a mejupụtara ejije mmọnwụ Ijele na-apụta ihe n’emume anọ bụ: Emume Odo, Emume Ntọaja Mmọnwụ Ijele, Emume Izugbe Mmọnwụ Ijele naỊjọ Mmọnwụ Ijele.

Ejije mmọnwụ Ijele nwere nhazi bụ: mmalite, etiti na mmechi.Ejije mmọnwụ Ijele na-amalite n’Emume Odo ruo n’Emume Ntọaja mmọnwụ Ijele. Etiti ya na-ebido na mpụta mmọnwụ Ijele n’ọda ruo n’ọda dị n’ama obodo ebe ọ ga-anọ gbaa nke mbụ, nke abụọ na nke atọ. Mmechi ejije mmọnwụ Ijele a na-amalite n’ịjọ, mgbe mmọnwụ Ijele gbachara nke atọ, wee na-alọghachi n’ọda ebe o si wee pụta. Dị ka ejije ọdịnala Igbo ndịọzọ, ejije mmọnwụ Ijele nwere oge, ọnọdụna ebe a na-eme ya. O nwekwara ọtụtụ njirimara ejije e si na ya ezipụta.

Ọ bụ ebumnuche edemede a isi na ya mee ka ndị mmadụ mata mkpa ọdịịhazi na ichekwaba ejije mmọnwụ Ijele ma mee ka onyinye a ghara ịla n’ala Igbo. N’ihi naọ bụ ihe ndị Igbo kwesiri ka ha were na-eme ngala site na inye ya ndọnyeukwu, na ịchịkọba ndị mmadụ a ga-akụziri ya ka ha wee kụziere ya ndịọzọ.

Edemede a ga-eme ka echiche ndị mmaduọ kachasịụmụafọ Igbo gbanwee n’omume ejighi ihe kpọrọ ihe ha na-eme n’ebe ọdịnala ha dị iche iche dị, n’ụzo pụrụ iche n’ebe etim mmọnwụ nke mmọnwụ Ijele bụotu n’ime ha dị. Maka na nke a ga-eme ka ha rite uru dị n’ejije mmọnwụ Ijele, n’ihi na ọ ga-eme ka ugwu na nsọpụrụ a na-akwanyere mmọnwụ Ijele n’oge gboo ghara ịla kpam kpam. Ọ bụ nke a mere o ji dị mkpa na e dere edemede nchọcha banyere izipụta mmọnwụ Ijele dị ka ejije ọdịnala Igbo a haziri ahazi n’ụzọ pụrụ iche.

Edemede nchọcha a ga-abara ọhanaeze uru. Ndịọ ga-abara ụrụ n’ụzọ pụrụ iche bụụmụakwụkwọ, n’ihi naọ ga-eme ka ha nwe ebe nlere anya ga-eme ka ha nwe mbawanye na mmụta. Edemede a ga-abara ndị nkụzi na ngalaba na-amụ nkamma na ejije ọdịnaladị iche iche uru, n’ihi na ọ ga-eme ka anya ha mepee n’ihe ndịa. Nke a ga-eme ka ha nwe mmasị na ya ma gaa n’ihu kụziere ya ụmụakwụkwọ ha. Ndịọzọ edemede a ga-abara uru bụ ndị na-ede edemede nchọcha n’ejije ọdịnalana nkamma, maka na ọ ga-abụrụ ha ebe mgbakwasa ụkwụ na nchọcha ha. Edemede nchọcha a ga-emekwa ka onye ọ bụla nwere mmasị n’ejije ọdịnalana nkamma gaa n’ihu were ha kpọrọ ihe.

## Ntulegharịagụmagụ

Omenchọcha ga-anọ n’ebe a zipụta atụtụ e ji tụchaa edemede nchọcha a, ntulegharị atụtụ edemede nkọwa, ma nyochaa edemede nchọcha ga n’isiokwu a.

## Atụtụnchọcha

Atụtụ e ji tụchaa edemede nchọcha a bụ “AtụtụỌdịdị.”Ọ pụtara ihe nke ọma dị ka atụtụa na-ejikarị atụcha ọrụnka malite n’afọ 1920. Dobie (2012:33) sịna atụtụ a malitere dị ka otu apụtabeghi ihe n’agbata afọ otu puku, narị itoolu na iri abuọ na Mahadum dị na *Vendegola*, site na mkparịtaụka dị n’etiti ndị mmadụ gụnyere John Crowe, Ransom, Robert Penn Warren Allen Tate, Cleanth Brooks na ndịọzọ nwere mmasị n’ihe banyere

agụmagụ. A malitere iji atụtụ a wee na-atụcha agụmagụ na mba Amerịka, Ingilandi na Rọshịa n'agbata afọ1930 (otu puku narị itoolu na iri atọ.) Ọ bụ oge a ka ndị mmadụ malitere iji ya na-atụcha agụmagụ n'ebe ọdị ukwuu.Ọ bụ atụtụ kacha pụta ihe site n'ọtụtụ aha a na-akpọ ya na mpaghara obodo dị iche iche. Ọ bụ otu n'ime atụtụ pụtara ihe e ji atụcha agụmagụ n'agbata afọ puku abụọ, n'ihi naọ na-eme ka nghọta agụmagụdị mfe ma na-enye ọṅụ. Atụtụ a na-ekwu naọdị mkpa na e leruru ọrụnka anya nke ọma.

Ndị na-akwado atụtụ a kwekọtara na a ga-agbaso usoro ziri ezi ma doo anya wee na-atụcha ọrụnka. Ebumnuche ndị a bụ ka e nwe ezi nghọta na mpụtara n'etu e si atule ma atụcha ọrụnka. Kennedy na Gioia (2007:1508) zipụtara echiche a mgbe ha sị na mmadụ abụọ mere ka atụtụọdịdị pụta ihe bụ, Rene Wellek na Austin Warren. Ọ bụ mmadụ abụọ ndị a kwuru naọrụnka dị ka ihe na-enye mmadụ mmụta n'ụzọ pụrụ iche kwesiri ka a kọwaa ma tụchaa n'onwe ya. Ha gara n'ihu kwuo naọ bụ ihe a hụrụ n'ọrụnka ka a ga-eji tụcha ya na ọbụghị ihe banyere ndụ onye ọrụnka ma ọ bụ akụkọ ihe na-eme oge a rụrụ ya. Ha gara n'ihu kwuo na ndị na-akwado atụtụ a kwenyere na ihe mere n'ọrụnka nọ n'ọkwa dị elu bụ na ihe niile e zipụtara n'usoro nka na-eme ka onye hụrụ ya na-echeta ya. Dobie (2012:42) mere ka otu echiche a pụta ihe site n'ajụjụ ndị a iji nye aka n'ịgbazi echiche omenchọcha ji atụtụọdịdịwee na-atụcha edemede ya. Ajụjụ ndị ahụ gụnyere:

- Kedu ka e si chịkọba ọrụnka ka o wee nye nghọta?
- Kedu ka onyinyo dịna ya si atụga aka n'ihe ga-eme n'ọdịnihu?
- Kedu ihe a na-ahụanya pụtara ihe n'ọrụnka ahụ?
- Kedụga onyinyo na-agawanye n'ihu dị n'ọrụnka ahụ?
- O nwere ebe ọtụtụ onyinyo bịakọtara ọnụ iji zipụta nghọta na mpụtara ya?
- Olee etu ihe niile dịna ya si enye aka na nghọta ọrụnka ahụ?
- Kedu ụda pụrụ iche na mmepụta ọrụnka ahụ?

Ajụjụ ndị a nyere aka n'ụzọ pụrụ iche n'ileba anya na nghọta ihe banyere ejije mmọnwụ Ijele na nkamma ya dị ka ọrụnka. Ọ bụ nke a mere na a hoọrọ atụtụ a iji wee tụchaa edemede nchọcha a, n'ihi na o zipụtara ebumnuche isiokwu nchọcha a.

**Nkàḿmā**

Mma bụ isi sekpu ntị n'ọrụnka ọ bụla. Ejije n'onwe ya bụọrụnka na-ezipụta nkamma ma ọ bụ uru ọbara site etu ndị nwe ya si nabata ya. Mmọnwụ Ijele nwere ụzọ atọ pụrụ iche o si ezipụta nkamma.Ụzọ atọ ndị ahụ bụ site n'ihe a hụrụ n'anya, ihe a nụrụna ntị nakwa nke e kwuru n'ọnụ. Nkamma atọ a pụtara ihe nke ọma n'ejije mmọnwụ Ijele.Ụzọ pụrụ iche e si ezipụta nkamma keanya bụ awụrụ Ijele dị ka ejiji,nammegharị ahụ si n'egwu ọgbụgba dị ka otu n'ime njirimara ejije, nke pụtara ihe n'ejije mmọnwụ Ijele ka e si egosipụtakwa nkamma keanya. N'aka nke ọzọ, nkamma keọnụnakentị na-apụta ihe n'egwu e ji ọnụ agụ na nke e ji ngwa egwu dị iche iche emepụta, maka na ọ bụ ntị ga-anụ ma kpebie etu ụda egwu ọnụ na ngwa egwu mepụtara. Aristotle (***4^th^ 330 B C***) mere ka a mata na nkamma, bụ usoro onye ọrụnka si ewepụta ma na-etinye echiche nka ya n'ọrụnka ya, ka o mee ka ndị mmadụ na-agba ọrụnka ahụ nkiri. N'otu aka ahụ, e nwere ikeịtụnyere ya alo etu a ga-esi mee ka ọrụnka ahụ kawanye mma, site n'isikwu ya na ọrụnka ọzọ. Odee a gara n'ihu mee ka o doo anya na ọ bụ n'ọrụnka ma ọbụ n'okike ka a na-ahụ

nkamma, ma si n'ụzọdị etu a mara uru ọ baara ndị nwe ya. Ọtụtụ echiche dị iche iche a hụrụla banyere nkamma mere na e nwere ike ilegara ejije mmọnwụ Ijele anya dị ka ọrụaka mara mma.

Mma ọrụnka ọ bụla si n'ọnọdụ ndị nwe ya dewere ya, n'ihi uru ọrụnka ahụ na-abara ndị nwe ya. Echiche dị etu a bụ nke si na nkwenye na 'ọ bụ ihe ndị kpọrọ ihe na be ha, ka ihe ahụ bụụrụ ha'. Ani (2011:55) sịna nkamma bụ amụmamụ banyere etu echiche si ahụ ihe, ọ bụ obere nwanne nwanyị nnlọ na mma maka na ọ bụ ya kachasị mmụta echiche nwere ike inye mmadụ. Anịako (1982) kọwara na ndị Igbo na-enwe mmasị pụrụ iche n'ebe ọrụnka mara mma dị, nke o mere ka ọ pụta ihe si n'ebe nka ịkpụ ite dị. E nwere ọtụtụ okwu na-ezipụta nkamma a ga-eji kọwapụta ọnọdụọrụnka.

Ọ bụkwa otu echiche ahụ banyere nkamma ka Okunna (2010:83) ji kwuo na mma ọrụnka mara si n'ihe e ji ya eme. Ọsịna mma ite mara dị ka ọrụnka kọwapụtara onwe ya n'uju n'ihe e ji ya eme. O kwuru na mkpụrụokwu bụ mma nka ndị Igbo ji amaatụ ihe niile mara mma. Nke a mere na ọ bụ mma bụ ihe mbụ ga-agbata mmadụ n'uche mgbe ọ bụla ndị Igbo na-ekwu okwu ihe mara mma. Ọ gara n'ihu kwuo na mma ite n'obodo bụ Ọka-Ndịagu si n'ihe ọkpuite jiri chọọ ya mma n'ahu dị ka anụọhịa na osisi e segara n'ahụ ya. Ọ bụ mpụtara ihe ndị ahụ e jiri chọọ ite a mma ka e ji see ha n'ahụ ite naọbụghị maka mma nke onwe ha.

Wimsatt na Beardsley (2015) n'aka nke ha kwuru na ihe a na-akọwa n'ọrụnka bụọrụnka n'onwe ya, na ọbụghị ebumnuche onye ọrụnka nke anyị amaghị n'ihi na ọ gbasaghịanyị. Maka na mkpebi ihe mara mma kwesiri ka ọ bụrụ ihe a hụrụ n'ihe ahụ na nghọta o nyere anyị, n'agbanyeghi ihe onye ọrụnka bu n'uche wee rụọ ya. Ọ bụ n'ihi echiche dị etu a ka ndị odee abụọ a ji kwuo naọ bụ ihe a hụrụ n'ọrụnka bụ isi sekpu nti n'inye mkpebi, maka na iji ihe ọzọ wee kọwaa ya bụ ime ka ọ na-agbagwojuanya.N'ihi ya naọ bụ ihe metụtara onye na-ahụọrụnka na mmụọ, bụụzọ kwesiri ekwesi n'ikpebi ọrụnka.

Omenchọcha kwadoro echiche ndị odee zipụtara banyere nkamma, ma na-ekwu na nkamma ọrụnka ọ bụla kwesiri ịgbaso usoro ọdịnala ndị nwe ya. N'ihi naọ bụ ndị nwe ọrụnka na-egosipụta nkamma ya site n'ihe ọ na-arụ na ndụ ha, ihe ha ji ya eme, nakwa ihe ha ji mara ya.

## Ejije

Etimmmọnwụ Ijele na-ezipụta ejije ọdịnala Igbo n'ụzọ pụrụ iche. O nwere ọnọdụna emume dị iche iche e si na ha ezipụta nṅomi ma ọ bụ njije na ntọaja na ya. Emume mejupụtara ejije mmọnwụ Ijele, a na-egosi ọhanaeze na-apụta ihe n'ụdị njije ihe na-eme n'ụwa a na n'ụwa a naghị ahụanya. Ọ na-ezipụta ntọaja e si na ha eme ka ndị mmadụ mata ụdị ndụ ndị Igbo biri n'oge gara aga na n'oge ugbu a iji kpaa ndị mmadụ obi ụtọ. Ndịodee n'ụzọdị iche iche mere ka echiche banyere ejije pụta ihe, ma mee na nghọta doro anya gụnyere Nwanaju (2008:96) onye zipụtara na ejije bụ ntọaja na-eme ka ihe mezue n'ụzọ zuru oke. Richard (1998:10) n'aka nke ya kọwara na ejije bụụzọ e si eji mmegharị ahụ ezipụta akụkọ ala n'usoro ịgba egwu, ịgụ egwu na iti ịgba nke si n'aka fere aka ma site n'ọgbọ ruo n'ogbo ọzọ.

Ejije mmọnwụ Ijele nwere njirimara ejije gụnyere: nṅomi ma ọ bụ njije, ntọaja, agwa, nhazi, emereeme, mkparịtaụka, arịa, egwu, ndị nkiri na obom. Ọ bụ mbịakọtaọnụ njirimara ejije ndị a na-eme ka ejije mmọnwụ Ijele dị ebube.Ọ bụ otu echiche a ka Nwadike (2003:59) zipụtara oge ọsị na ejije mmọnwụ bụ nchịkọta ihe niile a na-eme na mmọnwụdị ka ịma mbem, ịgụ na ịgba egwu, ịkpọụgba, mkparịtaụka, ịchụgharị ndị mmadụ

na ime ihe itụnanya ụfọdụ. Ọsịna otu onye ma ọ bụ karịa nwere ike yiri awụrụ ma ọ bụ gbara ahụ efu pụta n’ọgbọ bido igosi ndị nkiri emume mmọnwụ. Ikeokwu na Onyejekwe (2004:32) n’aka nke ha kọwara na ejije mmọnwụ bụejije ọdịnala nwere ọtụtụ ihe pụrụ iche na-egosi nṅomi ma dịkwa uchu n’uju n’ihe ọ bụla banyere ya. Ha gara n’ihu kwuo naọ bụ nke a mere e ji ekwu na mmọnwụ bụnaanị ejije ọdịnala Igbo nwere emereeme n’uju ma nwekwa mmebere ejije zuru oke.

Ugonna (1983:38) zipụtara otu echiche a, mgbe ọsịna ejije n’emume ndịAfrịka bụ nke a ga-ahụ n’usoro ọdịnala n’ihi na o nwere ụdị nhazi na obom nke ya. Ọ bụ echiche dị etu a ka Iloegbunam (2015) ji kwuo na ‘etim mmọnwụ Ijele bụ ihe nkiri e nwere ike ime ka ọ puta ihe n’ụdị ejije nke a ga-esi na ya kpata ego ma e see ya n’onyonyo.’Obuh (1992:138) mere a mata na ejije na-emetụta mmadụ n’ahụ karịa ụzọọzọ e sị ezipụta ihe nka maka na o ji obere oge egosi ọtụtụ ihe a ga-ewere dị ka eziokwu. Coleridge (1974) dere na ejije pụtara ihe nke ukwuu n’ihi na ọ bụ ebe ndị mmadụ na-agbakọ ka e wee kpaa ha ọchị ma mee ka ha nwee obiụtọ site n’ihe ngosi nyere ọhanaeze n’otu ebe na n’otu ụdị na n’otu oge.

Omenchọcha nabatara echiche ndị odee zipụtara n’elu ebe a banyere ejije, ọ bụ nke a mere na e si n’edemede a ezipụta na etim mmọnwụIjele bụkwa ejije ọdịnala Igbo nwere ọtụtụ ihe emereme e si na ya amụta ihe iji gbazie ndụ na usoro obibi ndụ ndị mmadụ.

**Mmọnwụ Ijele**

Iloegbunam (2015) kwuru na “Ijele bụ okwu na-ezipụta inwe ume ma ọ bụ ike nke na-ezipụta echiche na ọ na-adị arọ, site na akarangwa e ji wee rụọ ya n’oge gboo.’’ Echiche a pụtara ihe n’okwu bụ “jee lelee ma ọgịrịgaọ waala gị”, a na-agwa mmọnwụ Ijele.Ọ bụ mkpọbiri okwu a bụ ‘jee lelee ma ọgịrịgaọ waala gị’, ma ọ bụ ‘jee lelee ma ike ibu ibu ọdịgị’ ka a na-akpọ “Ijele” n’ụzọ mkpirisi.’ Ọ gara n’ihu kwuo na mmọnwụ Ijele mara mma nke ukwuu n’ihi na o nweghi ihe adịghị n’elu ya. Ọdị ka akwụkwọ e dere usoro obibi ndụ ndị Igbo n’ihi na ihe ọdịnala ndị Igbo dịcha n’elu ya. Ugwu na nsọpụrụ ndị Igbo na-akwanyere mmọnwụ Ijele karịrị akarị. Mmọnwụ Ijele na-enwe ugwu n’ihi na a rụrụ ya ka ihe niile dị n’elu ya. Ọ bụ nke a mere nandị Igbo na-ekwu n’okwu ma na-agụ n’egwu na “mmọnwụ agaghị aka Ijele aka”. Edozie (2015) dere, ‘ọ bụ Ijele kacha mmọnwụ niile a na-eti n’ala Igbo, n’ihi na a rụrụ Enyi Mmọnwụ ka o buo ibu iji mara ma ọ ga-eme ka Ijele laa ma na o nwere ọkpa anọ’. Ọsị na ọ bụnaanị mmọnwụ Ijele bụ mmọnwụ nwere ụkwụ abụọ buru ibu ma dịkwa arọ, maka na mmọnwụ niile dị n’ala Igbo nọ n’isi Ijele.’

Ọ bụ echiche a ka Anịakọ (2002:327) zipụtara mgbe ọsịnaọ bụ Ijele kacha mmọnwụ niile ndịIgbo na-eti, ma gaa n’ihu kwuo na ọ bụ ya na-edu mmọnwụ ndịọzọ ma bụrụkwa eze mmọnwụ. Ọsịna mmọnwụ Ijele na-egosi ịdị n’otu ihe e kere eke n’ụwa a, na ogwe ahụ ya na-adị okirikiri sitere na nṅomi usoro ndị Igbo si ewu ụlọ. Akwa dị oke ọnụdị n’akụkụ ndịda ya nke na-ejupụta n’esereese naapịriapị a na-ahụ n’ahụụlọ na n’ọnụụzọ iji chọọ ya mma. Ọ gara n’ihu kwuo na mmọnwụ Ijele bụ nnukwu ọrụnka na-egosipụta ụwa mmadụ nọ na ihe a na-eme n’obodo, na-egosipụta ụwa ụmụ mmụọ site na mmọnwụ ndị Igbo dị iche iche na-eme ka ntọaja na ebube mmọnwụ Ijele pụta ihe. Odee asị na ụdị anụọhịadị iche iche dị n’elu mmọnwụ Ijele dị ka eke na agụ na-ezipụtakwa ụwa anụmanụ. Ihe nke a pụtara bụna a chịkọbara usoro obibi ndụ ndị Igbo na mmọnwụ Ijele dị ka otu ọrụnka na-eweta mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa udo nke echiche. Amankulo (2002:404) sịna Ijele bụ mmọnwụ mara nnukwu mma ma nwe ugwu mere na ọ na-eri obodo nnukwu ego iji rụọ ya. Ọsịna o buru nnukwu ibu ma na-agba egwu ọgụgụ, egwu ọgbụgba na-eme ka

ndị nkiri na-eche na ọ ga-ada ada site nzọụkwụ ya. Ọ bụ echiche banyere nzọụkwụ egwu ya a, mere na ndị nkiri na-eche ebe o si wee bịa. Ọ gara n'ihu kwuo na Ijele na mmọnwụ na-achọ okwu na-eso apụta ọtụtụ mgbe nke na-eme ka egwu na-atụ ndị nkiri.

Nnekwe (2015) zipụtara na Ijele bụ mmọnwụ buru ibu, maa mma nke ukwuu n'ụdị gbara mmadụgharịị, maka na ọ bụghi ihe otu onye nkiri hụrụ n'elu Ijele ka ibe ya hụrụ n'ihi na ihe nọ n'elu ya hiri nne. Ọsịnaọ bụ nke a mere ndị Igbo ji ekwu okwu sị na 'nkiri mmọnwụ Ijele jiri chi.' Nke a pụtara na mmọnwụ Ijele bụ nnukwu ihe nkiri ma nwe ọtụtụ ihe nkiri n'ahụ ya, nke na ndị mmadụ ga na-ekiri ya malite n'ụtụtụ ruo n'abalị. Udealọ (2015) kọwapụtara naọ bụ Ijele kacha mmọnwụdị n'ala Afrịka buo ibu ma bụrụ onyinye pụrụ iche si n'ala Igbo dị n'obodo Naịjirịa. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị obodo dị iche iche na Steeti Anambara nke dị na ndịda ọwụwa anyanwu ala Naịjirịa, na-eti mmọnwụ Ijele n'emume ụfọdụdị ka akwamozu na emụme e ji akpọku mmụọọmụmụ, na ụba ihe akụkụ ubi bụ emume pụrụ iche a na-eme n'oge ọkọchi. N'otu aka ahụ ka Nwachukwu (2003:166) zipụtara otu echiche ahụ mgbe o mere ka a mata na ọtụtụ mmadụ na-ekwu na Ijele kacha mmọnwụ a na-eti n'ala Igbo,na ọ na-adị ka ụlọ ma na-anọchite anya ihe niile ndị Igbo maara na ihe ha ga-ama dị ka agbụrụ. Obasi (2010:9) sịna mmọnwụ Ijele mara mma nke ukwuu ma nwe ugwu maka na ọbụnaanị n'afọ iri abụọ na ise ma ọ bụ n'afọ iri ise ka o ji apụta. Nweke (2015) kwuru na mmọnwụ Ijele na-ezipụta ịdị ukwu, ịbụ eze nakwa ọgaranya. Ọsịna obodo niile dị n'Ayamelum na-eti mmọnwụ Ijele n'ebe ọdị ukwuu, mere na ogbe ọbụla nwere nke ha. Ebube mmọnwụ Ijele si na nkwenye ndị Igbo na mmọnwụ bụ ndị nnọchite anya Ndịichie. Ijele bụ mmọnwụ nwere nnukwu ibobo ma ọ bụ ebube, mere na ya na mmọnwụọzọanaghị agbakọta n'ama otu oge. Ọ bụ n'ibobo mmọnwụ ka ugwu na nsọpụrụ a na-enye ya dị. Echiche a pụtara ihe n'Asigbo (2012:7) mgbe o dere na ọ bụ ibobo na-eme ọrụnka bụ awụrụ e ji akwa wee kwaa bụrụ mmụọ. Ọ bụ ibobo a na-eme ka mmọnwụ nọzuo ebe niile ma nwe ike nke mmụọ. E nwere oge naọnọdụ mmọnwụ Ijele ji agba. Ọ bụ mmọnwụ Ijele na-agba naanị ya n'ọgbọ ma bụrụ mmọnwụ ikpeazụ na-agba n'ama.Ọsịna Ijele na-agba n'akwamozu ndị eze ma ọ bụ nwoke na nwanyị a maara aha ha, ya na akwamozu otu n'ime ezinaụlọ Ijele n'ala Igbo. Ọ bụ n'oge udummiri ka mmọnwụ Ijele ji agba n'oge gboo. Nzekwu (1981: 135) mere ka echiche a pụta ihe oge ọsịnaọ bụ n'oge ọkọchị ka etimmmọnwụ ji amalite na mpaghara ọwụwa anyanwụ ala Naijirịa bụ oge ha ji ezu ike. Ogu-Raphael (2009:81) sịnaọ bụnaanị ntọaja gbadoro ụkwụ na mmụọ ka e ji eme ka e nwe ezi usoro mmekọrịka n'etiti mmadụ na mmụọ.Ọ bụ nke a mere na obodo na-enye mmọnwụ Ijele ewu dị ka ụzọ ha si akpụ arụ ha mere.

Site n'ihe a hụrụla ndị mmadụ na ndị odee kwurula n'elu ebe a banyere mmọnwụ Ijele dị ka isiokwu edemede a si dị, ejije mmọnwụ Ijele bụọrụnka na-ezipụta nkamma nke e si na ya egosi na n'agbanyeghi na ọnọdụ mmọnwụ Ijele na ndụ ndị Igbo dị elu,ọ bụkwa ụzọ pụrụ iche e si akpa ndị mmadụ obiụtọ n'ala Igbo.

Ka o siladị, echiche ndị odee a zipụtara banyere nkamma, ejije nakwa mmọnwụ Ijele dịcha mma n'ụdị ha, mana o nweghi nke ọ bụla n'ime ha a ga-eji nọchite anya edemede nchọcha a, n'ihi na ọdịghị nke ọ bụla n'ime ha zipụtara isiokwu edemede a bụ "Ǹkàḿmā Dị n'Ejije Mmọnwụ Ijele." Ọ bụnke a mere o ji dị mkpa na omenchọcha bagidere edemede a, wee na-arịọ ka e nye ya ohere n'etiti edemede nchọcha ndịọzọ maka na ọ ga-eme ka mmụta banyere nkamma, ejije nakwa mmọnwụ Ijele bawanye.

**Ntụcha echiche banyere nkàḿmā dị n'ejije mmọnwụ Ijele**

Ejije mmọnwụ Ijele na-apụta ihe n'ụzọ abụọ. Ha bụ Ejije Mkpaobiọma na Ejije Ọdachi. Ejije mmọnwụ Ijele na-ezipụta mkpaobiọma, mgbe mmọnwụ Ijele gbara nke ọma n'ihu ọhanaeze na ndị nkiri. N'ọnọdụdị etu a e si n'ejije mmọnwụ Ijele akpa ndị mmadụ obiụtọ, n'ihi na ọhanaeze na ndị nkiri na-eji ọṅụ were ala. Makana malite na mbido ejije mmọnwụ Ijele ruo na njedebe ya jupụtara n'ihe dị iche iche na-akpa ndị mmadụ obiụtọdị ka egwu dị iche iche mmọnwụ Ijele na ndị mmadụ na-agụ ma na-agbakwa. N'aka nke ọzọ, ejije mmọnwụ Ijele na-ezipụtakwa ọdachi, oge otu n'ime ihe na-echere mmọnwụ Ijele aka mgba dị ka ndị nsịna aja, ndị mmụọọjọọ, ndị amosu ji ikuku ma ọ bụ mmiri ozuzo wee mee ka mmọnwụ Ijele daa ada n'ihu ọhanaeze. N'ọnọdụdị etu, ọhaobodo na ndị nkiri na-eji obimwute esi n'ama ebe mmọnwụ Ijele na-agba were laan'ihi na mmọnwụ Ijele ịda ada bụ nnukwu ihe mwute nyere obodo ahụ. Mgbe ọnọdụdị etu a dapụtara n'etimmmọnwụ Ijele, ọ na-ezipụta ejije ọdachi.

**Emume Odo**

A bịa n'ihe banyere ejije mmọnwụ Ijele, ọ bụ emume Odo na-abụ ihe nkiri mbụọhanaeze na-ekiri. Odona-ejije agwa ndịọrụ nchekwe ndụna akụnaụba. Ọ na-arụkwa ọrụ ndị uweojii naọrụ ndị mgbasaozi site n'usoro o si eje n'obodo dị iche iche agbasa ozi banyere etimmmọnwụ Ijele. Odo na-ejije ndị uweojii ma ọ bụ ndịọrụ nchekwe, n'usoro ngịgara ije ha mgbe ha na-aga ije ngara a kpọrọ*parade* n'asụsụ Bekee. Ha na-eme nke a, iji kpaa ndị nkiri obi ụtọ. Ndịnkiri n'aka nke ha na-egosi obiụtọ ha site ịkụrụ ha aka. N'otu aka ahụkwa, Odo amaghị aga ije ngara a nke ọma na-eme ka ahụ jụọ ndị nkiri oyi. Adedeji (1971:14) sịna 'ndị nkiri na mba Afrịkaanaghị achọ ka ha nọrọ nkịtị n'ihi na emume ọdịnala ha na-eme ka ha sonyesie ike na mmepụta ejije.' Mmekọrịtadị n'etiti Odo na ndị nkiri anaghị eme ka ọ ghara ịchụ ha ọsọ ugboro ugboro ma were mgboro ma ọ bụ osisi ha na-eji n'aka na-atụ ha.

Odo dị ka otu n'ime ihe nkiri mejupụtara ejije mmọnwụ Ijele, nwere usoro e si ezipụta ya. Usoro nzipụta ihe nkiri Odo a pụtara ihe na njije ndị uweojii, na-echetara ọhanaeze ọrụ ndị uweojii nyere ọhaobodo. Ọ bụ nke a mere na ihe nkiri Odona-abụ site na mmegharị ahụdị ka ịgba ọsọ mmọnwụ pụtara ihe nke ọma n'emume Odo n'ụzọ pụrụ iche. E sina nke a egosipụta onyinyo ga-eme ka ndị mmadụ mata ihe ha na-ezipụta. Adeoti na Elegbeleye (2005:319) gosiri na ejije na-eṅomi ndụ.Emume Odo n'ejije mmọnwụ Ijele nwere arịa pụtara ihe e jiri mara ya. Otu n'ime arịa e jiri mara Odo bụ mgboro ma ọ bụ osisi ahụ ha na-eji n'aka na-enyere ya aka n'ịchụpụ ndị nkiri mgbe ha bịara ya nso ma ọ bụ oge ha bịara mmọnwụ Ijele nso.

Emereeme pụtara ihe n'emume Odo dịụzọ abụọ.Ọ bụ n'ụzọ mmegharị ahụ abụọ a ka o si na ya ejije etu ndị uweojii si aga ije ngara na ịgba ọsọ. Aniakọ (2002:319) dere na echiche banyere ihe ngosi ma ọ bụ ejije mmọnwụ gbadoro ụkwụ na nkwenye na etimmmọnwụ bụụzọ e sị ezipụta nka ịgba egwu, iti ngwa egwu, ịgụ egwu na ntọaja n'ụdi ya dị iche iche n'ụzọ pụrụ iche n'ala Igbo.Ịgba ọsọ Odo dịụzọ abụọ; ọsọ ha ji achụ ndị mmadụ ma ọ bụ ndị nkiri mgbe ha bịara ha nso naọsọ ha na-agba ka ije wee dịrị ha mfe oge ha na-eje ije Odo.

**Emume ntọaja mmọnwụ Ijele**

Ntọaja bụ otu n'ime emume dịọkpụ a na-eme n'etimmmọnwụ Ijele dị ka ejije ọdịnala.A nọ n'emume ntọaja n'ejije mmọnwụ Ijele a, ezipụta ntọaja ọdịnala ndị Igbo dị iche iche banyere etimmmọnwụ Ijele. Ọ bụ ebe a ka a na-ezipụta nkwenye dị iche iche dị ka ịgba afa Ijele na ndị a ga-agwa tutu mmọnwụ Ijele agbaadị ka nne na nna Ijele na ọkpara na ada obodo ahụ. E nwekwara mmụọdị iche iche naọgwụdị iche iche a ga-agwọ na ndị a ga-edokwe edokwe banyere etimmmọnwụ Ijele ahụ. Ọ bụ ihe ndị a niile na nkiri ha dị iche iche na-ezipụta ntọaja ejije ọdịnala n'ụzọ pụrụ iche.

***Mkpọku Ndịichie***

Mkpọku ndịichie bụ otu n'ime ihe pụtara ihe n'emume ntọaja n'ejije mmọnwụ Ijele. Okwu e ji akpọku ndịichie na-apụta ihe n'ụdị abụ ntọaja a:

Nna anyị Okeke Malive.
Ije mmanwụ ka anyị

Na-agaa.

Ka jee nye n'arụike.

Jee nye n'udo.

Anyị jesie ilo nata

Anyị nweli ewu

Bịa kenee gị.

Ma nwa anyị jeli ije

Nweli arụsi ike nata

N'udo n'ọṅụ.

Diko ekwene

Ka ivele mee nye. (Iloegbunam, 2015)

***Ndokwe Chi***

N'emume ntọaja n'ejije mmọnwụ ijele, ndokwe chi bụ otu n'ime ihe pụtara ihe na ya. Ọ bụ okwu dị etu a ka e si na ya ezipụta abụ ntọaja e ji edokwe chi:

Chi m ekenee m gị

Kenee ive na-emeli gị ive

Kenee ive ị na-emeli ive.

Anị m ekene ezi naụzọ

Kenee enu kenee anị.

Anị m akpọku ive dịna mmili

Na-akpọku Ezenwanyị ndị mmili

Na-akpọku Ezenwoke ndị mmili

Anị m a-akpọkụNne ndị mmili

Na-akpọkụ Nna ndị mmili

Mu malị mee nabata nị m

Mu amazị mee nabata nị m.

Ọkụ a gunyeli nwata n'aka

Ana-arụgburie

Bụ nwata ka m bụ

Na-awụ arụ n'avọ n'avọ.

Mụ nweli aka nli nye unu

Unu nalị m.

Mụ nweli aka ekpe nye unu

Unu nalị m.

Malịnị ililo

Ma unu amana nsọ. (Ikem, 2015)

***Nrekwe Ọgwụ***

Nrekwe ọgwụ bụ otu n'ime ihe nkiri na-abata n'emume ntọaja n'ejije mmọnwụ Ijele.Ọ bụ n'okwu ndị a ka e si na ha ezipụta abụ ntọaja mgbe a na-erekwe ọgwụ e ji eti mmọnwụ Ijele:

**Abọokili**

Ekenee m ngị

Keneee ive na-emeli gị ive

Keneee ive ị na-emeli ive.

Keneee Olu kenee Igbo

Keneee enu kenee anị.

Mmụọ bụna sịna

Ngị bụ Okili emero ive

I ne-eme ma e jee

N'ama agbam egwu,

Ive na-egbu mmụọ

Bịa gbuo nye.

Mmadụọ bụna sịna

I yarọ eme ive i ne-eme n'ọgbọ

Ma anyị jee agbam egwu,

Ive na-egbu mmadụ

Bịa gbuo nye.

Ọ bụ okilikili

Ka a na-agba ukwu ose

A na-alịrọ ukwu ose enu.

Akwụ chalị n'ikiliko

Chalị nnunu nweli ọnụ ogologo.

Otuọkpa ana-eturo

Ọkpa nnịa n'ajịlịja.

Onye ji akwụnye nchi

Na nchi ana-alịrọ enu.

Ọgọ egbune m ka a na-agwụ n'ava

Ọgọ mụ meli mmarụ aya egburo m. (Ikem, 2015)

## Emume izugbe mmọnwụ Ijele

Emume izugbe n'ejije mmọnwụ Ijele bụ emume na-ezipụtaetimmmọnwụ Ijele dị ka ndụ a na-ebi n'ezinaụlọ. Ọ bụ mmọnwụ ise mebere ezinaụlọ Ijele nke e sina ha egosipụta agwa ha ma na-arụọrụdịịrị ha. Nne mmọnwụ Ijele nọ n'ọkwa ya dị ka nne na-anọ n'ezinaụlọ, nna ya nọdụ n'ọnọdụ nna ma na-arụọrụdịịrị ya n'aka nke ya. Mmọnwụ Ijele n'onwe ya nọkwa dị ka oke nwa n'ezinaụlọ ya nan'obodo. Ọ bụ nke a mere na a na-asọpụrụ ma na-akwanyere ya ugwu n'ebe ọdị ukwuu. Iloegbunam (2015) gosiri na ugwu na nsọpụrụ ndị Igbo na-enye mmọnwụ Ijele karịrịakarị. Ọ bụ nke a mere ndị Igbo ji ekwu n'okwu ma na-agụ n'egwu na 'mmọnwụ agaghị aka Ijele aka'.

Mmọnwụọzọọrụ ha pụtara ihe nke ọma n'emume izugbe, n'ejije mmọnwụ Ijele bụ Odo abụọ na-arụọrụ ndị mgbasaozi na ndị uweojii nyere Ijele. Tutu mmọnwụ Ijele eruo n'ịgba n'ama, Odo na-ebu ụzọ gaa obodo dị iche iche buru akụkọ na ndị obodo ha na-akwado iti Ijele na-aga. Ọ bụ echiche banyere ahụhụnaọrụ ahụ pụrụ iche Odo na-arụ mere e ji ekwu okwu sịna 'ahụhụ Ijele egbugo Odo.'Odona-arịọ ndị mmadụ ego dị ka ndị uweojii n'oge ugbu a. Ọkachasị na ndịọna-arịọego ahụ bụ bụụmụnwanyị obodo ahụ a na-alụ n'obodo dị iche iche. Egondị ahụ bụ ego a ga-agbakwunye n'ego e ji arụ awụrụ Ijele. Echiche dị etu a ka Mvula (1990:9) zipụtara mgbe ọsịna onye ịgba a na-eti metụtara n'ahụ na-enye onye na-eti ịgba ego.N'agbanyeghi na Odo na-apụta ọtụtụ mgbe na-arụọrụ dịịrị ha n'ime nkwado etimmmọnwụ Ijele, ha niile na-eso agba n'ama ụbọchị Ijele ga-agba n'emume izugbe mmọnwụ Ijele. Ọ bụụbọchị mmọnwụ Ijele na-agba n'ama izizi ka nne na

nna ya na-agbakwa. Ọ bụ eziokwu na Ijele na mmọnwụọzọanaghị agbakọ n'ama otu oge. Ka o siladi, okwu a emetụtaghị mmọnwụ so n'ezinaụlọ Ijele dị ka a gụpụtara n'elu ebe a, n'ihi na Ijele dị ka mmọnwụ na ọrụnka a haziri ma zipụta n'ụdị ejije na-agba dị ka otu ezinaụlọ na-ezipụta otu ihe nkiri.

**Ịjọmmọnwụ Ijele**

Ịjọ bụ otu n'ime emume pụtara ihe n'etimmmọnwụ Ijele dị ka ejije.Ọ bụya na-eme ka etimmmọnwụ Ijele na-ekpo ọkụ, maka naọ bụ emume ọhanaeze so ezipụta ihe nkiri dị na ya n'ụzọ pụrụ iche. N'emume ịjọ mmọnwụ Ijele, ndị mmadụna otu dị iche iche na-eti egwu ha na-achọ mmọnwụ Ijele. Otu ndị ahụ bụ otu ụmụokorobịa, ụmụada, na ndị iyomdi na-ebu egwu nke ha na-ajọịjọ ha ji achọ mmọnwụ Ijele. Ọ bụ ndị mmadụ a mejupụtara agwa e si na ha emepụta emume ịjọ a. Agwa ọrụ ha pụtara ihe n'emume ịjọ n'ejije mmọnwụ Ijele bụ ọbuụzọ Ijele abụọ, mmadụ abụọ ndị chiri nne na nna mmọnwụ Ijele na ndị na-eti ịgba e ji edu ndị mmadụ aga n'obodo niile.Ịjọ bụ emume nwere ihe nkiri dị iche iche, na-enye aka n'ịkwalite nkamma dịn'izipụta ejije mmọnwụ Ijele n'ụzọ pụrụ iche.Ọ na-enye ndị mmadụ ohere igosi onyinye ọnatarachi ha, n'ihi na ka ha na-aga, onye ọ bụla a na-eme nke o ji bụrụọkaibe.

Emume Ịjọ n'ejije mmọnwụ Ijele dịụdị abụọ. Nke mbụ bụịjọ e ji achọ mmọnwụ. Ịjọ eji achọ mmọnwụ na-abata tutu mmalite emume izugbe mmọnwụ Ijele.Ọ bụ ya na-eme ka ndị mmadụ malite ịtụanya mpụta mmọnwụ Ijele. Nke abụọ bụịjọ e ji enwe aṅụrịna mmọnwụ Ijele gbara nke ọma. N'ime ijọ abụọ ndịa, a na-eti ịgba mmọnwụ Ijele aga n'obodo na-agụ egwu. Ugonna (1983:92) zipụtara echiche a, mgbe ọsịna ngwa egwu na-etipụta ihe onye abụ na-abụ n'abụ ma na-enye aka ime ka ndị nkiri na-enwe echiche ịtụ egwu na mmasị n'ebe mmọnwụ nọ. Ịjọ e ji enwe aṅụrị na mmọnwụ Ijele gbara nke ọma na-anabata egwu dị iche iche dị ka egwu otito na egwu ikpe n'ihi na ndị mmọnwụ ha gbara nke ọma enweghi ihe rụrụ ha. Ọnọdụ dị etu a ka ha ji agụ egwu ha ji aja onwe ha ike, ma na-agụkwa nke ha ji ekpe ndị obodo ọzọ ikpe.

**Egwu Ịjọmmọnwụ Ijele**

Ọ bụrụna e kwuo na egwu pụtara ihe n'ejije mmọnwụ Ijele, ọ bụ n'emume ịjọ ka a na-atụgara aka n'ihi naọ bụ egwu ka eji amalite ịjọ oge mmọnwụ Ijele gbachara. Egwu e ji ajọịjọ mmọnwụ Ijele na-ewepụta nkamma keọnụnakentị site n'ihe a na-agụ n'egwu na ihe ịgba na-eti. Ọtụtụ mgbe, egwu ndị obodo ji enwe aṅụrị ma ọ bụ ajọịjọna mmọnwụ ha gbara nke ọma na-abụ egwu niile na-amasị ha. Ọ bụ otu echiche a ka Ibekwe (2009:66) mere ka ọ pụta ihe mgbe ọsịnaọtụtụ mmadụ maara na egwu nwere ọkwa dị elu n'ihe niile mmadụ na-eme na ndụ. N'emume ịjọ, ndị obodo na-eti mmọnwụ Ijele na ndị enyi ha na-eji obi aṅụrị malite iti egwu. E nwere egwu ịjọụmụnwoke na nke ụmụnwanyị na-anọ n'otu n'otu wee na-agụ mgbe ha na-ajọịjọ. Ọ bụ ihe ndị a niile na-eme ka ejije mmọnwụ Ijele buruọkaibe n'emume nakwa n'ihe nkiri ya.

Ụfọdụ egwu e ji ajọịjọ mmọnwụ Ijele gụnyere:

**Egwu Ịjọụmụnwoke**

Ọmụmaatụ egwu Ịjọụmụnwoke bụ:

Ọkwụ jeli ibe ọkwụ

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụgịọbọlụanyị nnu ego?

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụ jeli ibe ọkwụ

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụgịọ na-eli akpụ ji?

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụgịọ na-alụ nnuji?

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụ jeli ibe ọkwụ

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụgịọbọlụanyị nnu ego?

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụ jeli ibe ọkwụ

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụgịọ na-eli akpụ ji?

Chọọ mmanwụ.

Ọkwụgịọ na-alụ nnuji?

Chọọ mmanwụ.(Ibeh, 2015)

Enyi m agana eee

Ikegbune m

Ịgba mma ebuolu ụzọ oo

Enyi m agana ooo

Ọganyala na-abọ ego

Asị m ngị jide kwe uche ego

Enyi m agana eee.

Maka oganyala

Emekata jeve mbibi ego

Enyi m agana ooo.

Ọsụ ndende

Ịgba mma ebuolu ụzọ oo

Enyi m agana eee.

Ikegbunem

Ịgba mma ebuolu ụzọ oo

Enyi m agana ooo.

Ji na-abụọgwụ n'oba

Ụmụnwanyị azavazie oku ike

Enyi m agana eee.

Ọsụ ndundu

Ịgba mma ebuolu ụzọ ooo

Enyi m agana ooo. (Ekwọba, 2015)

**Egwu Ịjọ ụmụnwanyị**

Ụmụnwanyịnwere ọtụtụ egwu ha na-agụ ma a na-ajọ ịjọ mmọnwụIjele. Ụfọdụn'ime ha bụ ndị a:

Onye akpana nganga

Ma oluooo

Ejemmeye.

Onye akpana nganga

Oboro dike akpana nganga

Ma o luooo

Ejemmeye.

Tie Ụmụoche eee

E eee

Choko chooo

Chooo.

Oche enyi enyi ooo

Enyi enyi ooo.

Kero ndị nwe ive?

Anyị nwe ive.

Ibe anyị tiririri

Ịyaaa. (Ọkafọ, 2015)

Ojieee

Eeeeee.

Ojieee

Eeeeee .

Kero ndị nwe ive?

Anyị nwe ive

Ibe anyị tiririii

Ịyaaa.

Anyị ekero gwa va

Nke bụ okwu ego

Mgbe anyị gwalị va

Amalị va.

Ego Ojiụda bụọganuche

Oji abịa ava ego

NdịỤmụojiụda

Ndị di m na-emeli m ive

Mgbam kwara jam

NdịỤmụojiụda

Ndị nna m ji ego

Mgba kwara jam.

Anyị ekero gwa va

Nke bụ okwu ego

Mgbe anyị gwalị va

Amalị va.

Ego Ojiụda bụọganuche
Oji abịa ava ego.
Ijele eee
Anyị nweli
Unu nweli
Mba enwerie.
Okpube eee
Anyị nweli
Unu nweli
Mba enwerie.
Ọkagba eee
Anyị nweli
Unu nweli
Mba enwerie. (Nnekwe, 2015)

Udekwe Ateli
Agwagọ Anam
Ve ewozine iwo.
Na ego dị na
Ụmụ Ebendu isi riline
A na-esi ego njo.
Ọgụ eee
Nwa onye Ụmụ Ebendu.
Ọgụguọ Chinweude eee
Nwa onye Ụmụ Obinando Okpoko.
Agwagọ Anam
Ve ewozine iwo.
Na ego dị na
Ụmụ Ebendu isi riline
A na-esi ego ngọ.
Okoye nwa
Agbata Ejezu
Agwagọanyị
Chọva mmanwụ
Amalịva arụ e ji
Achọ mmọnwụ
Ovu na-adị va mma
Ebonwoke eee
Ebo nwee ego ooo
Anyị achọọgọ
Mmanwụ nwanyọ.
Okoye nwa
Agbata Ejezu
Agwagọanyị
Chọva mmanwụ
Amalịva arụ e ji
Achọ mmọnwụ
Ovu na-adị va mma
Ebonwoke eee
Ebo nwee ego ooo
Anyị achọọgọ
Mmanwụ nwanyọ. (Obadiegwu, 2015)

**Nchịkọta na mmechi**

Nchọcha a lebara anya n'ejije mmọnwụ Ijele dị ka otu n'ime ejije ọdịnala Igbo na-ezipụta nkamma atọ gụnyere nkamma keanya, kentị na keọnụ ma nwekwa ọtụtụ njirimara ejije. A na-ezipụta emume ọdịnala dị iche iche e si na ha egosipụta nnomi na njije n'ụzọpụrụ iche n'ejije mmọnwụ Ijele na nkamma ya. N'ụzọdị etu a ka e si ele ejije mmọnwụ Ijele dị ka ọrụnka na-ezipụta nkamma n'ụzọ pụrụ iche n'ala Igbo. Ihe a chọpụtara n'edemede nchọcha a gụnyere: Ejije mmọnwụ Ijele bụ ejije ọdịnala Igbo nke nwere njirimara ejije dị iche iche. Ụfọdụ n'ime njirimara ejije ọ na-ezipụta n'ụzọ pụrụiche bụ: nnomi na njije nke si na nkwenye na ndịichie na mmụọ ndịọzọdị iche iche. Ejije mmọnwụ Ijele na-ezipụta ntọaja n'ebe ọdị ukwuu, n'ihi na e ji ọgwụ eti mmọnwụ Ijele n'oge gboo na kwa n'ọtụtụ mgbe n'oge ugbu a. E nwere ndịiche na agwa mejupụtara ezinaụlọ mmọnwụ Ijele n'obodo na-eti mmọnwụ Ijele n'ala Igbo.

Omenchọcha nọzị n'ebe a arịọụmụafọ Igbo na ndịọchịchịnọ n'ala Igbo ka ha nye etimmmọnwụ Ijele na ejije ya ezi nkwado. Ndị Igbo na-ekwu okwu sị na 'ọ bụ mma onye nwere ka o ji ana aka', maka na 'ọ bụ nkụdị na mba na-eghere mba ite'. N'ihi ya o kwesiri ka a chịkọba ma chekwaba ejije mmọnwụ Ijele dị ka ejije ọdịnalana onyinye pụrụ iche n'ala Igbo.

**Edensibịa**


Adeoti, G. & Elegbeleye, S. O (2005). "Satire as Anụiety Reducation Techniọue: A Case Study of Wole Soyinka's Drama", N'Olateju, M, & Oyeleye, L. (ọhz.) *Perspectives On language, and Literature*. Ibadan: Intec Printers. ihu: 303-321.

Amankulo, N. (2002). "The Art of Dramatic Art in Igboland". N'Ofomata, G.E.K. (ọhz) *A Survey of the Igbo Nation*. Onitsha: Africana ihu: 399-412.

Ani, E. I. (2011). "Can we Dispense with the Arts?"N'Agu, D. C. (ọhz.) *Unizik Journal of Arts and Humanities*, Awka: Fab Anieh. ihu: 26-64.

Aniakor, C. C. (1982). "Igbo Aesthetics: An Introduction." Na *Nigeria Magazine*. Lagos: Department of Culture, Federal Ministry of Yotuhs and Culture. No.141.

_____________ (2002). "Art in the Culture of Igboland." N'Ofomata, G. E. K. (ọhz.) *A Survey of the Igbo Nation*. Onitsha: Africana.ihu:300-349.

Anih, S. C. (1992).*Religious Ecumenism and Education for Tolerance in Nigeria*. Enugu: Snaap Press.

Aristotle, (4th 330 BC). *The Poetics*. Na Butchor, S. H (ọhz.) *The Project Gutenberg EBook of Poetics*.

_________ (4th 330 BC). *AristotlePoetics*. http://Aristotle *Poetics*/114479. html. E wetara na ntaneti na 03/02/09.

Asigbo, A. C (2012). "Transmutations in Masọuarade Costumes and Performance: An eụamination of Abuja Carnival 2010". N'Agu, D. C. (ọhz.) *Unizik Journal of Arts and Humanities*. Awka: Fab Anieh. ihu:1-13.

Awugosi, N. M. (2009). "Explain the origin of Drama, Discuss the African Drama and the Impact of Festivals and Rituals on African Drama. Justify the Igbo Belief that Drama Originated from Masọuarade. History of Different Eras of Drama". E bipụtabeghị ya. Ngalaba amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Coleridge, S. (1974). "Progress of the Drama". Na Dukore, B. (ọhz.) *Dramatic Literature and Criticism: From Greeks to Grotowski*. New York: Holt, Reinhart, and Winston.

Dobie, A. B. (2012). *Theory into Practice: An Introduction to Literary Criticism*. Boston: Wadsworth.

Ibekwe, E. U. (2009). “Royal Music in African Culture: Igbaeze of the Igbo of Sotuh East Nigeria as a Paradigm”. N’Oguejiofor, J. O. & Odimegwu, F. H. (ọhz.) *Unizik Journal of Arts, and Humanities.* Awka: Valid Publishing. ihu: 66-74.
Ikeokwu, E.S. & Onyejekwe, M.C. (2004). *Mmalite Ọmụmụna Nghọta Ejije IgboỌdịnaala na Ọlorọọhụụ*. Enugu: Cidjap Press.
Isichie, E. (1976). *A History of Igbo People*. London: Macmillian Press.
Kennedy, Ụ. J.& Gioia, D. (2007). *Literature: An Introduction to Fiction, Poetry, Drama and Writing*. Nee York: Library of Congress Cataloging-in-Publication Data.
Mvula, E. S. T. (1990). “The Performance of Gule Wamkulu-An Introduction,” N’Okpewho, I. (ọhz.) *The Oral Performance in Africa.* Ibadan: Spectrum Books.
Nwachukwu, E. O. (2003). “Rythms of Igbo Spiritism: A Reflection on some Igbo Music and Dances associated with the Belief in Spirits”. N’Umeogu, B. (ọhz.) *Ogirisi: A New Journal of African Studies.* Amawbia: Lumos Press. ihu: 160-175.
Nwadike, I. U. (2003). *AgụmagụỌdịnala Igbo.* Onitsha: Africana.
Nwanaju, U. T. (2008). “Illumination, and Aesthetics in Stage Production: From Candle to Mc-Candles’”. Na Nwadigwe, C. E (ọhz.) *Applause: Journal of Theatre, and Media Studies.* Enugu: Academic Publishing. ihu: 95-106.
Nzekwu, O. (1981). “Masọuerade”. N’Ogunbiyi, Y. (ọhz.) *Drama and Theatre in Nigeria: A Critical Source Book*. Lagos: Nigeria Magazine. ihu: 131-135.
Obasi, G. O. (2010). “The Role of Audience in a Drama and Theatre, Compilation of Modern Igbo Drama Books Starting from the First.” E bipụtabeghị ya. Ngalaba amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.
Obuh, O. S. (1992). “Drama as Instrument for Mass Mobilization: A Critical Analysis of some MAMSER Drama Programmes in Nigeria.”Na Malomo, & Gbilekaa (ọhz.) *Theatre, and Politics in Nigeria*. Ibadan: Caltop Publishers.
Ogu-Raphael, I. (2009). “The Ritual Construct in Nigerian “Home Video” Films”. N’Oguejiofor, J. O., & Odimegwu, F. H. (ọhz.) *Unizik Journal of Arts, and Humanities.* Awka: Valid Publishing. ihu: 63-76.
______________(2009) “The Medium of Theatre as an Alternative Conflict Resolution Mechanism: A Case for the Niger Delta”, N’Oguejiofor, J. O. & Odimegwu, F. H. (ọhz.) *Unizik Journal of Arts, and Humanities.* Awka: Valid Publishing. ihu: 75-85.
Ọkunna, E. (2010). “The Stylistic and Konographic Consideration of Awka Ndiagu Pottery and the Igbo Aesthetic Evaluation.” N’Oguejiofor, O. (ọhz.) *Unizik Journal of Arts, and Humanities.* Awka: Valid Publishing. ihu: 83-94.
Richard, W. (ọhz.) (1998). *Memory, and Potcolony: African Anthropology, and the Critiọue of Power.* London: Zeb Books.
Ugonna, N. (1983). *Mmonwu: A Dramatic Tradition of Igbo.* Lagos: University Press.
Wimsatt, & Beardsley (2015). “The Intentional Fallacy”.http://wimsatt/beardsley /the international fallacy.html. E wetara na ntaneti na 03/02/015.

**Ndị agbara ajụjụọnụ**

Edozie, U. (2015). Ọ bụ onye Nteje gbara afọ iri ise na asatọ, ọ bụ onye ọrụ ugbo. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele na Nteje 04/04/015.

Ibeh, A. (2015). Ọ bụ onye Ụmụeri gbara afọ iri ise na anọ, ọ na-arụọrụ ugbo ma na-emekwa dibịa. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele n’Ụmụeri 17/4/015.

Ikem, C. (2015). Ọ bụ onye Nteje gbara afọ iri atọna asaa, ọ bụ onye ọrụ ugbo. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele na Nteje 13/04/015.

Ekweọba, E. (2015). Ọ bụ onye Ụmụeri gbara afọ iri ise na abụọ, ọ na-azụ ahịa. Okwu

ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele n'Ụmụeri 17/4/015.

Iloegbunam, P. (2015). Ọ bụ onye Ụmụọba Anam gbara afọ iri asaa na otu, ọ bụ onye ọrụnka. Okwu ọnụ ya banyere ọrụnka na etimmmọnwụ Ijele n'Ụmụọba Anam 12/03/015.

Nnekwe, A. (2015). Ọ bụ onye Ụmụọba Anam gbara afọ iri asaa na ise, ọ bụ onye ọrụ ugbo. Okwu ọnụ ya banyere mmọnwụ Ijele n'Umuọba Anam 11/4/015.

Nwakaeze, S. (2015). Ọ bụ onye Nteje gbara afọ iri anọ na asatọ, onye nkụzi ụka. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele na Nteje 07/04/015.

Nweke, M. (2015). Ọ bụ onye Nteje gbara afọ iri ise na asatọ, onye ọrụaka ma na-etikwa Ịgba. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele na Nteje 24/04/015.

Nweke, O. (2015). Onye Ifite Ogwuari gbara afọ iri ise na atọ, ọ bụ onye ọrụ bekee. Okwu ọnụ ya banyere etim mmọnwụ Ijele n'Ifite Ogwuari 15/04/015.

Ọbadiegwu, U. (2015). Ọ bụ onye Ụmụeze Anam gbara afọ iri isii na ise, ọ na-azụ ahịa. Okwu ọnụ ya banyere egwu mmọnwụ Ijele n'Ụmụeze Anam 10/4/015.

Ọkafọ, N. (2015). Onye Mmịata Anam gbara afọ iri asaa na ise, ọ na-azụ ahịa. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele na Mmịata Anam 11/4/015.

Udeọba, O. D. (2015). Onye Iyiọra Anam gbara afọ iri anọ, ọ na-azụ ahịa. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele n' Iyiọra Anam 03/03/015.

Udealọ, S. C. (2015). Ọ bụ onye Oroma Etiti Anam gbara afọ iri anọ na ise, onye ọrụ Bekee. Okwu ọnụ ya banyere etimmmọnwụ Ijele n' Oroma Etiti Anam 07/03/015.